# OZI ỌMA NKE UBỌCHI TA!

Eweputara ihe ndia site nime akwukwọ dikasiri nkpa n'uwa.

## IHỤNANYA CHINEKE

"Ma Chineke nēme ka ihu-n'anya nke aka Ya n'ebe ayi nọ puta ihe, n'ihi na, mgbe ayi nọ n'abu ndi-nmehie, Kraist nwuru n'ihi ayi" (Ndi Rom. 5:8).

"N'ihi na Chineke huru uwa n'anya otu a, na Ọ nyere ọbuna Ọkpara Ọ muru nani Ya, ka onye ọbula nke kwere na Ya were ghara ila n'iyi, kama ka ọ nwe ndu ebigh-ebi" (Jọn 3:16).

"N'ihi na Chineke bu ihu-n'anya. Nime nka ka emere ka ihu-n'anya Chineke puta ihe nime ayi, na Chineke ewerewo Ọkpara Ọ muru nani Ya zite n'uwa, ka ayi di ndu site n'aka-Ya. Nime nka ka ihu-n'anya di, ọ bugh na ayi onwe-ayi huru Chineke n'anya, kama ọ bu na Ya onwe-ya huru ayi n'anya, we zite Ọkpara-Ya ka Ọ buru ihe ijuru Ya obi bayere nmehie-ayi" (1 Jọn 4:8-10).

## ỌDIGH ONYE ỌBULA DI NMA IBA NA ELU-IGWE

"Ọ digh onye bu onye ezi omume, ọ digh otu onye ma-oli; Ọ digh onye nāghọta, Ọ digh onye nāchọ Chineke; Ha nile ewezugawo onweha, ha nile abagh n'ihe m'otu; Ọ digh onye neme ihe ọma, ọ digh ọbuna otu onye . . . n'ihi na ọ digh ihe di iche; n'ihi na madu nile emehiewo, ha adigh-eru kwa otuto Chineke" (Ndi Rom. 3:10-12, 22, 23).

## JISUS KRAIST BU ONYE NZỌPUTA

(Meri) "Ọ gamuputa kwa Nwa-nwoke; i gākpọ kwa āha-Ya Jisus; n'ihi na Ya onweya gazọputa ndi nke Ya na nmehie nile ha" (Matiu 1:21) . . . "Ma Ya (Kraist) onwe-ya buru nmehie nile ayi n'aru-Ya n'elu osisi ahu" (1 Pita 2:24). "Ya onwe-ya bu onye amapuworo site na njehie nile nke ayi, onye azọpiaworo site na-ajọ omume nile nke ayi: ahuhunmehie nke udo-ayi di n'aru ya; ọ bu kwa ubiri utari-ya ka ejiri me ka aru ayi di ike" (Aisa 53:5).

". . . Ọ buru kwa na nwusi ọbara adigh ngbaghara nmehie adigh" (Ndi Hib. 9:22).

". . . Ọbara Jisus, bu Ọkpara-Ya (Chineke), na-sachapu kwa ayi nmehie nile" (1 Jọn 1:7).

"Kraist nwuru n'ihi nmehie-ayi nile . . . Eli-kwara Ya . . . emeworo-kwa-ra ka O si n'ọnwu bilie n'ubochi nke-ato, dika ihe edeworo n'akwukwọ nsọ si di" (1 Ndi Kor. 15:3, 4).

"Onye ahu ka Chineke were aka-nri-Ya welie elu ibu Onye-ndu na Onye-Nzọputa" (Ọlu Ndi Ozi 5:31).

## KWERE, CHEGHARIA, MA NARA ONYE NZỌPUTA

. . . Ọ we si, "Ndi-nwe-ayi, gini di nkpa ka m'me ka ewe zọputam? Ha we si, kwere n'onye nwe-ayi Jisus, agazọputa kwa gi" (Ọlu Ndi Ozi 16:30).

"N'ihi nka ka o we unu anya . . . Ọ bu kwa nime Onye a (Jisus Kraist) ka anagu onye ọ bula nke kwere na Ya n'onye ezi omume n'ihe nile, nke anapugh igu unu na ndi ezi omume na ha nime iwu Moses . . . Na Ya ka ndi-amuma nile nagbara ama, na site n'aha-Ya onye ọ bula nke kwere na Ya ganata ngbaghara nmehie" (Ọlu Ndi Ozi 13:39; 10:43).

"Onye kwere n'Ọkpara nwere ndu ebigh-ebi" (Jọn 3:36).

"Ya mere Chineke lefuru oge nile nke amagh ihe anya; ma ugbua Ọ nagwa madu ka ha nile chegharia n'ebe nile, ebe Ọ debeworo otu ubochi, nke Ọ gekpe elu-uwa dum madu bi ikpe n'ezi omume . . ." (Ọlu Ndi Ozi 17:30, 31).

(Pol onye ozi si) "Anoyerem unu ri . . . nagwasi unu ike . . . okwu ncheghari n'ebe Chineke no, na okwukwe n'ebe Onye-nwe-ayi Jisus nọ" (Ọlu Ndi Ozi 20:21).

"Onye-nwe-ayi . . . kama Ọ natachiri unu ogologo-ntachi-obi, n'ihi na O zubeghi ka ndi ọ bula la n'iyi, kama ka madu nile bia rue

ncheghari" (2 Pita 3:9).

"Ma ka ha ra, bu ndi nara Ya, ha ka Ọ nyere ike igho umu Chineke, bu ndi kwere n'aha-Ya" (Jọn 1:12).

## IHE EKWEGH-EKWE N'EWETA

"Onye nekwegh okwu Chineke emewo Ya onye-ugha; n'ihi na ọ kwegh n'ama ahu nke Chineke gbaworo bayere Ọkpara-Ya" (1 Jọn 5:10).

"Ekpewo onye nekwegh na Ya ikpe ugbua, n'ihi na ọ kwegh n'aha nke Ọkpara Chineke nani Ya . . . Ma onye nēkwegh Ọkpara ahu agagh-ahu ndu, kama iwe Chineke nānọgide n'aru-ya (Jọn 3:18, 36).

"Ayi onwe-ayi gesi aña gbanari, ma ọ buru na ayi lefuru oke nzọputa di otu a anya? (Ndi Hibru 2:3).

"Ma ndi natu ujọ, na ndi nekwegh ekwe, na ndi-aru, na ndi-ogbu-madu, na ndi nakwa iko, na ndi nāgwọ nsi, na ndi nekpere arusi, na ndi-ugha nile, oke-ha gabu nime ọ dọ ahu nke ji ọku na brimstone nere; nke bu ọnwu nke-abua ahu" (Nkpughe 21:8).

(Ayi nākpọ gi ka i lezie anya, che uche ma ge nti n'ozi Chineke ziri madu.)

**Word Of Truth**, P.O. Box 1126, Kaduna, Nigeria